Nrụkọrʃta Ọrụ Dị Ka Omenala Igbo Nke

Magnus Aniago
Institute of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka magnus.aniago@unn.edu.ng +23470649770

Ibenekwu Ikpechukwu E.
Institute of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka ikpe.ibenekwu@unn.edu.ng +2348037786363

Ugwuonu, Dennis Chinonso
Lordswill Academy
Federal Capital Territory, Abuja dennis.ugwuonu@gmail.com
+2348147170033
*Correspondence author

Ụmị Edemede

Ederede a lebara anya n'ihe gbasara nrụkọrịta ọrụ dị ka omenala Igbo. Ndị ọchọcha gbadoro ụkwụ n'ihe ha hụrụ n'anya na nke ha nụrụ na ntị mee nchọcha ha. Ebe ọzọ ndị ọchọcha gbadoro ụkwụ mee nnyocha ha bụ n'ihe ha gụtara n'akwụkwọ, ajụjụ ọnụ, na kwa inteneet. Ha chọpụtara na otu n'ime omenala mara mma ndị Igbo na-eme bụ ịrụkọ ọrụ ọnụ. Ha na-esi n'ụzọ dị otu a enweta mmepe na ịdịkọ n'otu n'obodo. Ụdị ọrụ a naenwe usoro e ji arụ ya na kwa ndị na-ahazi ya. Akụkụ dị iche iche n'ọrụ ahụ nwere ndị o doro anya ga na-arụ ya. Ọ bụ nke a mere na ọrụ ahụ na-aga nke ọma ma na-amịta ezi mkpụrụ. A na-esi n'ụzọ dị otu a rụpụta ụdị ọrụ gaara ahịa otu mmadụ maọbụ mmadụ ole na ole ahụ ịrụpụta. Ndị ọchọcha chọpụtakwara na n'agbanyeghị uru dịgasị n'ịrụkọ ọrụ ọnụ, a ga-ahụkwa ọghọm ole na ole n'ime ya nke otu n'ime ha bụ ndị ụfọdụ ịghọ aghụghọ ọrụ maka na ọ bụ ọrụ ọha. Ndị ọchọcha tụrụ alo ka ụdị omenala a na-aga n'ihu n'ihi na ọ bụ omenala na-enweta agamnihu.

Ọkpụkpụokwu Gasị: Ịrụkọ ọrụ, Omenala, Mmadụ, Obodo, na Ụmụnwaanyi.

Mkpọlite

Omenala bụ ka ndị si biri ma ọ bụ ka ha si eme. Ọ na-apụta ihe n'ọrụ ndị na-arụ na ka ha si arụ ya. A na-ahụkwa ya n'ụdị nri mba na-eri, ka ha si esi nri ahụ, na ka ha si eri ya. Omenala na-apụtakwa ihe n'akwa ndị na-eyi, ka ha si akwa ya, na ụdịdị ọ na-adị. A na-ahụkwa ya na mmemme na oriri dị iche iche. Omenala na-apụtakwa ihe ka ndị si ekele

mmadụ na ka ha si anabata mmadụ ma ọ bụ ndị ọbịa. Ude (2019) kwuru na mba dị iche iche n'ụwa dị ka Bekee, China, Asia, Germany, na mba ụwa ndị ọzọ nwere omenaala ha. Omenala ndị ka e ji ama ha. Ogbonna (2015) kọwara omenala dị ka ụzọ ndụ nke e ji mara agbụrụ obodo ma ọ bụ mba dị iche iche. Omume ndị mmadụ na ka ha

si eche echiche gbasara ụwa na-ezipụtakwa omenala ha (Okoye, 2016). Eze (2015) kwuru na omenaala bụ usoro ebimụndụ nke na-apụta ihe ụbọchị niile ka obodo ma ọ bụ agbụrụ si akpa agwa. Asụsụ Igbo so n'otu omenaala ndị Igbo jiri biri n'ihi na e kwuru na obodo ọbụla tufuru asụsụ ha etufuola ezigbo njirimara ha. Igbo so n'otu agbụrụ kacha dị ukwu na Naijiria. A ga-ahụ ha na steeti dị ka Anambra, Enugwu, Ebonyi, Abịa, Imo, Delta, Kogi, Rivers, na Benue. Ha bigasikwa n'ọtụtụ steeti bụ nke esoghi na steeti ndị anaagụnye na steeti ndị dị n'ala Igbo. Ọ dị mkpa ka a mata na ụfọdụ n'ime steeti ndị a ndị Igbo bi na ha abughị naanị ha bụ agbụrụ nọ na steeti ndị ahụ. O nwere agbụrụ ndị ọzọ ya na ha bikọrọ ọnụ dị ka na Benue, Kogi, Delta, na Rivers.

Ndị Igbo bụ ndị e ji ọrụ ugbo na ịzụ ahịa mara. Ihe a bụ aka ọrụ ha tupu ndị ọcha abịa. Ndị ọcha bịara weta agumakwụkwọ nke ndị Igbo titara isi tinye n'ime ya n'ihi na ha bịara chọpụta uru dị n'ime ya. Ọtụtụ ụmụ Igbo agụọla akwụkwọ nọrọ n'ogo ọkwa dị iche iche. Ọtụtụ omenaala Igbo efuola n'ihi mmekọrịta ha na ndị mba ọzọ, ma ha jisikwara ọtụtụ omenaala ha ike. O nwere omenaala ndị bụ ozuruigbo ọnụ, nwekwaa nke obodo ọbụla na-emere onwe ha, ọ bụrụ njirimara ha.

Ndị Igbo bụ ndị a maara dị ka ndị na-arụsi ọrụ ike. N'omenala Igbo, a na-ebido na nwata kuziwere mmadụ ịrụ ọrụ na uru ọ bara ịrụsi ọrụ ike. Onye anaghị arụsi ọrụ ike anaghị enwe ugwu n'ala Igbo. Ndị Igbo na-akpọ onye dị otu a 'onye ume ngwụ.' N'oge gboo, mgbe a na-agba ohu, ọ bụ nwata maọbụ onye ike ọrụ adịghị ka a na-ebu ụzọ refuo, jiri ego e retere n'isi ya zụọ ndị ọzọ nri. Ịrụsi ọrụ ike dị mkpa na ndụ onye ọbụla. Ọ bụ ya mere ndị Igbo ji ekwu sị na aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ. Ha na-ekwukwa na-asị, onye kọọ n'anwụ, o rie na ndo. Ihe ha ji atụ ilu ndị a niile bụ na ọ bụkarị n'ọrụ ugbo ka ha na-egosipụta ụdị ịrụsi ọrụ ike a.

Ugbua, ihe agbanweela, ọ bụkwaghị naanị ọrụ ugbo ka ndị Igbo ji biziri. Ụfọdụ na-akụ azụ, ndị ọzọ kwa na-azụ ahịa ma ọtụtụ na-arụ ọrụ bekee. Na ha niile, a na-atụ anya na nke onye na-eme, ka ọ na-emekwa ya nke ọma. A na-ele anya na onye ọkụ azụ ga-ama nke ọma ụdị azụ dị iche iche, ka e si atụnyere azụ ụgbụ e ji ekpokota ya, na nko e ji ekota ya. Ọ bụ onye ga-enwe nka e ji akụ azụ, maara oge e ji enwetakari ya, na ebe ha na-anọ.

Ote nkwụ ga-enwe nka e ji eme nke a, ma na etepụta mmanya bụ onye ṅụọ ya, o kwee n'isi. Ọ bụ nke a mere na ọ ga-abụ a kpọọ ya diochi, o nwere ọṅụ za. Ọ bụkwa maka ịgba mbọ mere obodo ụfọdụ ji akụ ezi mmanya karịa ibe ha. A maara ndị Udi na ndị EnuguEzike ama nke ọma n'ala Igbo n'ihe gbasara ịkụ mmanya. N'ala Igbo kwa, a tụrụ anya na onye ọrụ ugbo ga-abụ onye o doro anya nke ọma, kpatara na o nwere ndị na-aza di ji maọbụ igube ji. E lekwara anya na ọkpụ ụzụ ga-abụ onye o doro anya, nwee nka n'ime ya. Ọ ga-ama igwe dị iche iche na ụdịdị ha.

Onye ga-azụ ahịa ga-amụ ya nke ọma. Nke a ga-eme ya onye a ma ama n'ịzụ ahịa. Ndị Igbo na-ele anya na onye na-agụ akwụkwọ ga-agụru ya n'isi. Ọ bụ nke a mere na ụfọdụ ndị gụrụ akwụkwọ ji aza ọka mmụta na ọka nkuzi.

Ịrụkọ Ọrụ Ọnụ

Ọ bụghị ọrụ niile ka otu onye nwere ike ịrụ. Ndị Igbo sịrị na naanị otu onye buru, ọ nyịgbuo ya. Ha kwukwara sị na aka weta, aka weta, o ju ọnụ. A nyụkọọ mamịrị ọnụ, ọ gb ọọ ụfụfụ. E kwukwara sị na, ọha siere otu onye nri, ọ gaghị enwe ike richaa ya. Ma otu onye siere ọha, ọha erichaa ya. Okwu a niile na-egosi na ike otu onye na nke ọha mmadụ ahaghị. Ha na-ekwukwa na-asị na 'ụmụnna bụ ike', na 'igwe bụ ike'.

A na-edozi àkwà mmiri obodo, ọ bụghị ihe a na-ahapụrụ naanị otu onye. Mmadụ niile naabịa dozie ya. Ụfọdụ ndị na-egbute osisi, ndị ọzọ ana-ebuga ha ebe a ga-eji ha rụ ọrụ. Mmadụ ụfọdụ na-aga weta eriri maọbụ ụdọ, a ga-eji ke akwa mmiri ahụ, ebe ndị maara ka e si ahị eriri maọbụ ụdọ ahụ maka ọrụ ga-ahịkọ ya ka o si kwesi ịdị. Mgbe a nọ n'etiti mmiri arụ ma ọ bụ edozi akwa ahụ, ụfọdụ ga na-apado osisi e ji arụ ọrụ ahụ ka ọ hapụ ịdanye na mmiri ma ọ bụ ebe olulu dị, ebe ndị ọzọ ga na-eke ya eke. Ụfọdụ ndị okenye ọrụ ahụ doro anya ga na-enyekwa ntuzi aka ka ọrụ ahụ na-aga n'ihu.

Otu a ka ọ dịkwa mgbe a na-asụchasị ụzọ maọbụ na-edozi ya. Ụfọdụ ndị ọrụ ga na-asụ ahịhịa ndị nọchiri ụzọ, ebe ndị mmadụ ndị ọzọ ga na-egbute aja na-ekpochi ebe dị ndagwurugwu, ka ụzọ wee dị mma. Ndị ụfọdụ kwa ga na-awa ekpe mmiri maọbụ gota iji mee ka mmiri nwee ụzọ o si awanye ghara imebi ụzọ. Ihe ndị a niile nwere ike na-aga otu nje nke nnukwu ọrụ dị mma na-atụ n'anya nwere ike ịpụta n'ime ya.

Ndị nwaanyị na-ejikọ onwe ha ga zachasịa ama obodo maọbụ ahịa ha. Ha na-eti iwu maka nke a. Onye ọbụla nke abịaghị soro ha rụọ ọrụ dị otu a adaala iwu ha. Onye ahụ ga-ahara ha nha maọbụ kwụọ ego ọbụla nke ọha gwara onye ahụ ka ọ kwụọ. N'oge ugbua, a na-ahụ ọtụtụ ụmụnwaanyị n'otu ha dị iche iche ka ha na-azachasị ụlọ nsọ ma debekwa

gburugburu ya ọcha. N'ụlọ nsọ, ụmụnwaanyi bụ ndị ụka na-eke onwe ha n'otu n'otu ka ha ga-esi na-azachasị ụlọ nsọ ahụ. Ụfọdụ ndị na-eke nke ha na zoonu na zoonu (zones). Zoonu ọbụla orutere, bụ ha na-azachasị ụlọ nsọ na gburugburu ya nke izu ụka ahụ. Na nzukọ ha, ka ha na-ekwu okwu ihe a ga-eme zoonu arụghị ọrụ ya nke ọma. Oge ụfọdụ, a na-agwa ha ka ha rụghachi ọrụ ahụ n'izu ụka ọzọ.

Usoro na Iwu Nrụkọrịta ọrụ

Ihe ọ bụla a ga-eme nke ọma kwesiri ka o nwee usoro. Usoro nrụkọrịta ọrụ igwe mmadụ adịghị ka nke naanị otu onye. Nke mbụ, a ga-akanye oge a ga-eji rụ ọrụ ahụ nke a ga-eme ka onye ọbụla mata. A ga-ewepụta ndị ga-elekọta ọrụ ahụ ma hazie etu a gaesi rụ ya. Ndị nlekọta ga-ahazi ma tinyechaa ndị mmadụ ebe ha ga-arụ ọrụ dị ka amamihe na ike ha si dị. Ọ bụrụ ihe dị ka idozi akwa mmiri, ọ bụ ndị bụ kapịnta

ga-ahụ maka ebe a ga-akụ ntu maọbụ ebe a ga-eke ụdọ. Ụmụokorobịa ga-ebute ma jidekwa osisi ndị dị arọ aka mgbe a na-akụ ha ntu maọbụ na-eke ha eriri.

Ndị ike ọrụ dị ka a na-etinye ebe ọrụ ka mkpa maọbụ ebe ọ tara akpụ. Ndị okenye nwere amamihe ga na-enyekwa ntuzi aka n'ọrụ ahụ. A naghị ahapụ ọrụ a na-arụ kparịtawa nkata, gwuriwe egwu maọbụ kwuwe okwu abaghị uru. Onye mee otu a, a naagbọ ya ụja maọbụ nye ya ndụmọdụ. Oge izu ike maọbụ ịkwụsị ọrụ ruo, ndị isi maọbụ ndị nlekọta ekwuo ya, mmadụ niile eme otu a. Mgbe ahụ, o nwee ihe e ji a ga-eri, e bido riwe ya. Ọ bụrụ mmanya ka a ga-aṅụ maọbụ ụtaba ka a ga-akpọ, a ga-ebido mee nke a. Oge ụfọdụ, e zuchaa ike dị otu a, a malitekwa ọrụ. A rụchaa ọrụ agba ikpeazụ a, ndị okenye na ndị nlekọta ekele ndị mmadụ, onye ọbụla alawa. Ọ bụrụ na o nwere ọkwa a ga-ama, a ga-ejikwa ohere dị otu a maa ya.

Uru dị na Nrụkọrịta Ọrụ

O nwere ọtụtụ uru na ihe ọma na-apụta n'ịrụkọ ọrụ ọnụ. Ụfọdụ uru na ihe ọma dị otu a na-erute obodo aka, ebe ndị ọzọ na-abara ndị mmadụ n'otu n'otu. A na-esita na ya arụpụta ọrụ gbara ọkpụrụkpụ nke ga-ahịa otu mmadụ ahụ ịrụ. N'ihi na ọ bụghị naanị otu onye na-arụ ọrụ ahụ, nrụkọrịta ọrụ na-eme ka a rụọ ọrụ ahụ ngwa ngwa karịa ka ọ kara ịd ị na ọ bụrụ otu mmadụ. Ọrụ obodo gbakọrọ ọnụ rụọ otu ụbọchị, otu onye nwere ike naanị ya agaghị arụcha ya n'ọnwa atọ. Ọ na-emekwa ka mmekọrịta na adịmnamma bawanye

n'etiti ndị dị otu a. Ụfọdụ na-esikwa na ya mata ndị ha amatabeghị na mbụ. Ọ na-eweta agamnihu n'ihi na obodo na-esi n'ọrụ dị otu a na-enweta mmepe dị ka: ịrụ ụlọụka, ụlọakwụkwọ, ụlọahịa, ụlọgwụ, w.d.g. Mmadụ nwere ike isi na ya chọpụta onye nwere

ezi aka ọrụ maọbụ onye ike dị nke ọ ga-akpọ ka ọ bịa rụọrọ ya ọrụ aka mkpa. Mmadụ abụọ maọbụ atọ nwere ike isi n'ọrụ dị otu a na-agakọ ihe ọnụ, bido mmekọrịta n'etiti onwe ha nke ha nwere ike isi n'ime ya na-egboro onwe ha mkpa dịgasị aṅaa.

Ọghọm dị na Nrụkọrịta Ọrụ

Ọ bụ ihe doro anya na ọtụtụ ihe nwere uru na-enwekwuazị ọghọm. N'ihi na a na-arụ ọrụ ahụ n'igwe, ụfọdụ nwere ike na-aghọ aghụghọ n'ihi na ọ bụghị ọrụ aka mkpa ha. Ụfọdụ agaghịkwa ewepụtacha ike niile ha ji arụ ọrụ nke onwe ha maọbụ amamihe ha niile, nihi na ọ bụ ọrụ ọha. Ụfọdụ na-ejikwa ohere a hapụ ihe ha na-arụ, mawa njakịrị nke nwere ike mechaa bute esemokwu maọbụ ọgụ. Ọ na-emekwa ka mmadụ hapụ ezigbo ihe dị mkpa ọ gaara emere onwe ya n'ihi oge o tinyere na nrụkọrịta ọrụ a. Nke a nwere ike mebiere ya nnukwu ihe. Ọ ga-edi ya n'ihi na mkpa otu onye ekwesighị ịkarị nke ọha. Mmadụ nwere ike nupu isi n'ihe onye nlekọta gwara ya ka o mee. Nnukwu esomokwu nwere ike isi ụzọ dị otu a dapụta. Esomokwu dị otu a nwere ike tiwaa ọgbakọ ahụ ụzọ abụọ maọbụ atọ nke na onye ọbụla ga-amalite ịdịnyere onye nke ya. Onye ọ ga-adịnyere nwere ike ịbụ onye ka metuta ya n'ọbara, maọbụ enyi ya, maọbụ onye ọ na-erite ihe n'aka ya. N'ụzọ dị otu a, obodo nwere ike tisaa nke na ịrụkọ ọrụ ọnụ ọzọ ga-ahịa ahụ.

Mmechi

Ịrụkọ ọrụ ọnụ so n'omenala ndị Igbo jiri biri. Ọ bụ otu omenala na-enyere Igbo aka ịdị naenwe ezi mmekọrịta n'etiti onwe ha. Ọ na-enyekwara ha aka ịrụpụta ọrụ mmepe gbara ọkpụrụkpụ. Ịrụkọrịta ọrụ na-eme ka obodo niile dị n'ala Igbo na-aga n'ihu. Ọnọdụ ịrụkọta ọrụ zuru Igbo niile ọnụ n'ihi na ọ hịara ahụ ịhụ obodo dị n'ala Igbo nke anaghị eme ya. Ọtụtụ akwa mmiri, ọtụtụ okporo ụzọ, na ebe ọgbakọ ka e si n'ụzọ dị otu a rụpụta. Ọ bụ omenala dị mkpa ka e jisie ya ike n'ihi na omenala dị mma na-eweta oganihu nke obodo.

Edensibịa

Eze, Leonard of Enugwu-Eke, Eke. Interviewed 17-09-19.

Ogbonna, Anthony of Mgbagbu Ọwa. Interviewed 14-03-2015

Okoye, Joseph of Ịgbakwụ. Interviewed 15-03-2016

Ude, F.U. (2019). Ụdịdị na ọrụ odomagana n'okpuru ọchịchị Udi, Steeti Enugwu. Nsukka Journal of Humanities. 27(2) 15-28.